IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Nwata Nwaanyị dịrị ndụ Ugboro abụọ



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Jeirọs bụ onye-ndú okpukpe ndị Juu nke na-efe Chineke ma na-akụziri ndị ọzọ Okwu Chineke. Otu ụbọchị, ezigbo nsogbu bịakwasịrị Jeirọs. Ada ya ọ hụrụ n'anya, dị naanị afọ iri na abụọ, dara ọrịa. Ọ dị ka ọ dịghị onye pụrụ inyere ya aka. Ọ bụ ọrịa ọjọọ. Jeirọs maara na nwa agbọghọ ahụ na-anwụ anwụ.



Naanị otu onye nwere ike inyere ada Jeirọs aka.  Jeirọs gawara ịchọta Jizọs ma kpọghachi ya n’ụlọ ya.  Ma eleghị anya, Jeirọs maara na ndị enyi okpukpe ya anabataghị Jizọs.
Ma Jairọs achọghị ịma.



Ọ ga-enweta enyemaka ngwa ngwa tupu ada ya anwụọ.

Jeirọs hụrụ Jizọs ka ndị mmadụ gbara ya gburugburu.

O gburu ikpere n’ala n’ụkwụ Jizọs. “Obere nwa m nwaanyị dina n'ọnụ ọnwụ,” ka nwoke ahụ ihe dị mkpa rịọrọ. “Bịa bikwasị ya aka gị ka ahụ ya dịkwa ike, ọ ga-adịkwa ndụ.”





Jizọs wee soro Jeirọs jee. Ma ha apụghị ime ngwa ngwa n’ihi nnukwu ìgwè mmadụ ahụ.  Otu nwaanyị na-arịasi ọrịa ike kemgbe afọ iri na abụọ. Ọ gakwuuru ndị dọkịta niile (ma mefuo ego ya niile) na-enwetaghị enyemaka.  Ee, lee ka ọ chọrọ ịhụ Jizọs!



Kedu ihe nwaanyị ahụ nwere ike ime? "Ọ bụrụ naanị na m ga-emetụ ọnụ uwe ya aka, a ga-eme ka m dị mma," ka nwanyị ahụ tamuru. Ọ gakwuuru Jizọs. Mgbe ahụ, o setịpụ aka ya metụ uwe Jizọs aka.



Ọlụ ebube! ỌLỤ EBUBE! A gwọọla nwaanyị ahụ. Ngwa ngwa! Ozuzu oke! Ọ maara na ya adịwo mma, nwee ike ma zuokwa oke. Ma otu olu kwuru sị. “Ònye metụrụ m aka?” ka Jizọs jụrụ. Ìgwè mmadụ emetụla Ya aka. Ma nwaanyị ahụ a gworọ ọrịa maara na ọ chọrọ ka ọ gwa ya gbasara ya. O ji nwayọọ gwa ya akụkọ ya niile.



Mgbe ahụ, ndị ohu si n'ụlọ Jeirọs bịara. Ma eleghị anya, ihu ha kọrọ akụkọ ahụ dị mwute tupu ha ekwuo okwu. "Nwa gị nwaanyị anwụọla!" ka ha gwara Jeirọs. Nwụrụ anwụ! Oge adịghịzi. Ikekwe, ọ bụrụ na nwanyị ahụ egbughị oge ahụ... ikekwe, ọ bụrụ ... Nwụrụ anwụ! Obere nwa agbọghọ Jairọs alaala.

Mgbe Jizọs nụrụ ya, Ọ zara sị, “Atula egwu; náanị kwere, a ga-azọputakwa ya.” Ọ ga-abụrịrị na o siere Jeirọs ike ikweta na Jizọs. Ada ya anwụọlarị.



N'ụlọ ahụ, onye ọbụla nọ na-akwa ákwá ma na-eru uju maka nwa agbọghọ ahụ. Jizọs gwara ha sị, “Ọ nwụghị anwụ, kama ọ na-arahụ ụra.” Ha niile chịrị Ya ọchị. Ha ma na nwa agbọghọ ahụ anwụọla.



Jizọs wee chụpụ ha niile, jide nwa-abọghọ ahụ n'aka sị, “Nwatakịrị nwaanyị, bilie.”  Jeirọs nọ n'ebe ahụ. Nwunye ya nọ ebe ahụ.  Mmadụ atọ n’ime ndị na-eso ụzọ Jizọs nọkwa ebe ahụ. Ha niile nụrụ okwu Jizọs. Nwatakịrị nwaanyị ahụ nwụrụ anwụ, ọ ga-anụkwa ha?



Nwata nwaanyị nwụrụ anwụ nụrụ iwu Jizọs! Mmụọ ya laghachiri, o wee bilie ozugbo.  Jizọs kpọlitere ya n'ọnwụ.



O juru nne na nna nwa agbọghọ ahụ anya.  Jizọs gwara ha ka ha nye nwa agbọghọ ahụ ihe ka o rie. Lee ka obi siwo tọọ ha ụtọ nke ukwu; otú ha si kelee Jizọs.  Ihụnanya na ike ya dị ebube mere ka ada ha si n’ọnwụ lọta.



Nwata Nwaanyị dịrị ndụ Ugboro abụọ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Mak Isi nke ise, Luk Isi nke asatọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

# Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.